# NZIỌKWA IHE NZUZO GBASARA ETU ESI EJI OZI AHỤIKE
**(NOTICE OF PRIVACY PRACTICES)**

Ga-amalite N'ọrụ: Eprel 14, 2003
E degharịrịrị: N'ọnwa Maachị 5, 2026

Nziọkwa a na-akọwa etu aga esi eji ma kesaa ozi ahụike gbasara gị yana otu ị ga-esi enweta ozi a. BIKO JIRI NLEZIANYA NYOCHA YA.

Maka part 2 nke ihe ndekọ ahụike banyere Ndị Ịṅụ Ọgwụ Ọjọọ Riri Ahụ, nziọkwa a na-akọwa:

- Otu e nwere ike esi eji ma kekọrịta part 2 nke ozi ahụike banyere gị
- Ihe ndị ruuru gị n'ihe metụtara ozi ahụike gị
- Otu esi etinye akwụkwọ mkpesa banyere mmebi iwu nke ihe nzuzo maọbụ nchekwa ozi ahụike gị, maọbụ nke ikike gị gbasara ozi gị

Ị nwere ikikere inweta kọpị nziọkwa a (n'akwụkwọ maọbụ site n'ịntanetị) ma kwụrịtara onye na-ahụ maka ichekwa ozi nkeonwe nke onye arịa anyị na 833-718-1043 maọbụ privacyofficer@trinity-health.org ma ọbụrụ na ị nwere ajụjụ ọbụla.

Anyị ghọtara na ozi ahụike gị bụ nke nzuzo, anyị na-ekwe nkwa ichekwa ihe nzuzo gị. Biko gụọ Nziọkwa Ihe Nzuzo gbasara Etu Esi Eji Ozi Ahụike nke ọma. Ọ na-akọwa etu anyị ga-esi eji ma kesaa ozi ahụike nke nzuzo gị **(PHI).**

Akwụkwọ na agbaso iwu ndị a Health Insurance Portability and Accountability Act nke afọ 1996, nakwa Health Information Technology for Economic and Clinical Health Act (nke aga-enweta na Isiokwu XIII nke American Recovery and Reinvestment Act nke afọ 2009) (ana-akpọ ha abụọ "HIPAA"), nke ana-edegharị kwa mgbe kwa mgbe, iwu a na-achọ ka anyị chekwaa ozi ahụike nkeonwe gị nke e nwere ike iji amata gị **(ozi a bụ "ozi ahụike nke e nwere ike iji mata gị" ana-akpọkwa ya "PHI").**

Achọkwara ka anyị nye ndị ọrịa Nziọkwa Ihe Nzuzo gbasara Etu esi Eji Ozi Ahụike gbasara PHI. Anyị na-eji ma kesaa PHI gị naanị mgbe iwu nke steetị maọbụ nke etiti nyere ikikere maọbụ chọrọ ya. Nziọkwa a na emetụta PHI gị n'okpuru nchekwa anyị gụnyere ihe ndekọ ahụike nke anyị mepụtara.

Nziọkwa a na ekpuchi nlekọta ahụike nke ndị dọkịta na nọọsụ na-enye n'ụloọgwụ ukwu anyị, ngalaba ụloọgwụ niile ebe ndị ọrịa na-enweta nlekọta ma laa ozugbo, Part 2 nke Ọgwụgwọ maka Ndị Ọgwụ Ọjọọ Riri Ahụ na ebe ọgwụgwọ. Nziọkwa a na ekpuchikwa otu Trinity Health na ụloọgwụ anyị si elele ma nkelọta ahụike ọdị mkpa nakwa ogo ọdịmma nlekọta. Trinity Health bụ usoro nlekọta ahụike nke ndị Katọlikị nke nwere ụlọ ọgwụ n'ọtụtụ steeti na United States.

## I. Ikikere Ojiji maọbụ Nkesa

**A. Ọgwụgwọ**: Anyị ga-eji ma kesaa PHI gị iji nye, hazie, maọbụ jikwaa nlekọta ahụike gị na ọrụ enyemaka metụtara ọgwụgwọ. Ndị a na-esonụ bụ ihe atụ nke etu anyị ga-esi eji

na/maọbụ kesaa PHI gị:

i. Dọkịta na-ahụ gị, dọkịta ọkachamara na-enye ndụmọdụ, nakwa ndị ọzọ na-enye nlekọta ahụike chọrọ ya iji nye gị nlekọta ahụike nakwa ọgwụgwọ.

ii. Anyị na ekesa ozi gị iji hazie ọgwụgwọ gị (dịka nhazioge ịhụ dọkịta) nakwa ndị ọzọ na-eweta nlekọta ahụike. Nke a na-agụnye aha, adreesị, iwe n'ọrụ, ndị na enye ịnshọọransị dgz.

iii. Iji kpọtụrụ gị dịka ihe ncheta na ị nwere nhazioge ịhụ dọkịta maka ọgwụgwọ maọbụ nlekọta ahụike na ụlọọgwụ anyị.

iv. Iji nye gị ozi gbasara ọgwụgwọ ndị ọzọ maọbụ uru ndị ọzọ metụtara ahụike maọbụ ọrụ enyemaka.

v. Ọbụrụ na ịnọ n'ụlọ mkpọrọ maọbụ ndị uwe ojii ji gị, anyị ga-ekesarịrị ụlọ mkpọrọ ahụ maọbụ onye uweojii ahụ ozi ahụike PHI gị dịka iwu siri wee chọọ.

**B. Ọgwụgwọ maka ndị Ịṅụ Ọgwụ Ọjọọ Riri Ahụ (SUD):** Anyị na-enye usoro ọgwụgwọ maka ndị ịnụ ọgwụ ọjọọ riri ahụ nke na-agbaso iwu ihe nzuzo pụrụ iche bụ 42 CFR Part 2 ("Part 2" Program). Ọbụrụ na inweta ụdị nlekọta a, e nwere ike ịgwa gị ka ị bịanye aka na akwụkwọ nkwenye nke nlekọta ahụike iji nata ọgwụgwọ maka nke Part 2 Program. Ị kwesiri ịbịanye aka n'akwụkwọ nkwenye maka ọgwụgwọ otu ugboro iji kwenye ka ejiri ozi ahụike PHI gị maka ọgwụgwọ, ịkwụ ụgwọ na otu ụlọọgwụ si arụ ọrụ na achọghị ka ịbịanye aka ọzọ n'ọdịnịhụ dịka iwu HIPAA siri kwuo.

i. Ọbụrụ na anyị anata maọbụ debe ozi ọbụla banyere gị site na ọgwụgwọ maka ndị ịnụ ọgwụ ọjọọ riri ahụ nke na-agbaso iwu ihe nzuzo bụ 42 CFR Part 2 (a “Part 2 Program”) site na otu akwụkwọ nkwenye abịanyere aka nke ị nyere na Part 2 Program ka ejiri ma kesaa ihe ndekọ nke Part 2 Program maka eji ya eme ọgwụgwọ, ịkwụ ụgwọ maọbụ ime nlekọta ahụike, anyị nwekwara ike eji ma kesaa ihe ndekọ Part 2 Program gị maka ọgwụgwọ, ịkwụ ụgwọ na eji ya eme nlekọta ahụike dịka akọwapụtara na Nziọkwa a.

ii. Ọbụrụ na anyị nata maọbụ debe ihe ndekọ Part 2 Program gị site na ikikere ị nyere anyị kpọmkwem maọbụ nke onye ọzọ, anyị ga-eji ma kesaa ihe ndekọ Part 2 Program gị dịka ị siri wee nye ikikere n'akwụkwọ nkwenye gị nke ị nyere anyị.

iii. Anyị agaghị eji maọbụ kesaa ihe ndekọ Part 2 Program gị, maọbụ ihe akaebe ọbụla nke kọwara ozi dị n'ime ihe ndekọ Part 2 Program gị, n'ikpe ọbụla nke na-agbasaghị mpụ, nke gbasara mpụ, nke na-abụghị maka ikpe, maọbụ nke usoro iwu megide gị site n'ikikere gọọmentị etiti, nke Steetị, maọbụ nke mpaghara ọbụla, ọgwụla ma ị nyere ikikere maọbụ ụlọikpe nyere ikikere ka agwasiri gị.

iv. Ịnakọta ego: Ị nwere ikikere ighara isonye n'ụfọdụ mmemme ịnakọta ego nke metụtara ọgwụgwọ maka Ndị Ịnụ Ọgwụ Ọjọọ Riri Ahụ.

v. Ikikere gị Gbasara Ihe Ndekọ Part 2: Ikikere onye ọrịa ndị ọzọ edepụtara na Nziọkwa a metụtara ozi ahụike niile, gụnyere ihe ndekọ Part 2.

C. **Akwụmụgwọ**: Anyị ga-eji ma kesaa PHI banyere gị maka eji ya akwụ ụgwọ. Ndị a na-esonụ bụ ihe atụ nke etu anyị ga-esi eji na/maọbụ kesaa PHI gị:

i. Anyị ga-ekesara ụlọ ọru ịnshọọransị, ụlọ ọru ọzọ na-ahụ maka ịkwụ ụgwọ, ụlọ ọrụ ọzọ na-ahụ maka okwu gbasara ego, atụmatụ ahụike maọbụ ndị ọzọ na-eweta nlekọta ahụike (maọbụ ndị nnochianya enyere ikikere) maka eji ya akwụ ụgwọ dịka ime mkpebi maka mkpuchi, ntozu, inweta nkwado tupu amalite ọgwụgwọ, ịkwụ ụgwọ, ijikwa ịna ego, inyochagharị ụgwọ akwụgoro, dgz.

ii. Nye ụlọọrụ na-ahụ maka inwetaghachị ụgwọ ndị ana-akwụghị akwụ na ụlọọrụ ndị ọzọ na-esonye anakọta ego maka nlekọta enyere.

D. **Ijikwa Ụlọọgwụ Anyị**: Anyị ga-eji ma kesaa PHI gị maka iji mee ọrụ enyemaka nlekọta ahụike. Ndị a na-esonụ bụ ihe atụ nke etu anyị ga-esi eji ma/maọbụ kesaa PHI gị:

i. Maka ijikwa nlekọta onye ọrịa, ijide n'aka na-enyere ọrụ dị mma, ihụ na ejiri ọrụ enyemaka n'ụzọ dị mma, idetụ ihe ndekọ gbasara ego, nyocha ihe ndekọ ego, ime atụmatụ maka onye ọrịa ila, ihe omume nke ohaneze nke metụtara imeziwanye ahụike ọha maọbụ ibelata ego ana-akwụ maka nlekọta ahụike, agụmakwụkwọ, inweta nkwado n'aka gọọmentị, ịnata ikike ịrụ ọrụ n'aka gọọmentị, na ime nkwadoeziokwu nke asambodo.

ii. Nye ndị ọkachamara n'inye ndụmọdụ gbasara ọrịa, ndị na-ejikwa ndekọ ego, ndị nyocha ndekọ ego, ndị ọkaiwu, ụlọọrụ na-edetụ okwu ọnụ, nka na ụzụ nkwurịta ozi na ndị na-eweta ọrụ nchekwa data, dgz.

E. **Ojiji Ndị Ọzọ na Nkesa:** Dịka ihe so na ọgwụgwọ, ịkwụ ụgwọ, na ime njikwa nlekọta ahụike. Anyị nwekwara ike iji PHI gị maka ime ihe ndị a na-esonụ:

i. **Ịnakọta Ego na Ime Mgbasa Ozi Nkwalite Ọrụ Enyemaka:** Anyị nwere ike iji ma nwee ike ikesakwa ụfọdụ PHI gị, gụnyere ụlọọrụ jikọtara anyị, maka iji ya wee mee nnakọta ego na mgbasa ozi nkwalite ọrụ, Ọmụmatụ, anyị nwere ike eji maọbụ kesaa ozi gbasara gị, ụbọchị ọgwụgwọ gị, ozi gbasara dọkịta na-agwọ gị, ngalaba ebe ana-agwọ gị na rizọọtụ ọgwụgwọ, anyị nwere ike ịrịọ ka ị inye onyinye ego. Ozi ọbụla gbasara nnakọta ego na ozi nkwalite ọrụ ezitere gị ga-agwa gị etu ị ga esi <u>ghara ịna enweta</u> ozi ndị ahụ n'ọdịnịhụ.

ii. **Nnyocha maka Ahụike**: Anyị ga-eji ma kesaa PHI gị n'ụzọ enyere ikike nye ndị na-eme nnyocha ahụike ndị nke na-ana ya maka ọrụ nyocha e mere nkwado. Achọrọ ka ndị na-eme nnyocha ahụike chekwaa PHI gị niile ha natara.

iii. **Ọrụ Nkwalite Ahụike:** Anyị ga-eji ma kesaa ụfọdụ PHI gị maka ụfọdụ ọrụ nkwalite ahụike. Ọmụmatụ, aga-eji aha gị na adreesị gị wee ziga obere akwụkwọ akụkọ maọbụ ozi kpọmkwem dabere na nsogbu ahụike gị.

iv. **Ọgụgụ Isi Arụrụ Arụ**: Anyị na-eji teknụzụ akwado nlekọta na ọgwụgwọ nke nwere ike iji Ọgụgụ Isi Arụrụ Arụ (AI). Teknuzu nke ọgụgụ isi arụrụ arụ na-eji ozi azụ ma mee ka ọrụ AI kawanye mma. Ndị nrụkọ ọrụ teknuzu ndị ọzọ, gụnyere ndị na-eji teknuzu AI, ga-

edeberịrị ozi na nzuzo dịka iwu siri kwuo.

v. **Ozi ewepụrụ Ihe Mmata**: Anyị nwere ike iji ma kesaa ozi nke ewepụrụ ihe mmata, nke pụtara na ọ bughị aha gị, adreesị gị, maọbụ ihe mmata mmadụ nke ndị ọzọ nke e nwere ike iji wee mata gị, dịka iwu gọọmentị etiti siri kwuo. Ozugbo ewepụrụ ozi mmata, anaghịzi ahụta ya d ịka ozi ahụike echekwara n'okpuru HIPAA ma o nweghị otu ụdị ihe nchedo ahụ.

**F. Iwu Siri Ike Ndị Ọzọ:** Iwu steeti ebe i bi nwere ike isi ike karịa nke HIPAA n'ọtụtụ ebe. Anyị ga-aga n'ihu n'irube isi na iwu steetị ndị a siri ike karịa.

i. **Iwu steeti ndị siri ike karị**: Iwu steeti siri ike karị mgbe o nyere mmadụ ohere ịnweta ihe ndekọ ahụike ha karịa HIPAA. Iwu steetị siri ike karịa mgbe o na echekwa ihe ndekọ ahụike gị pụọ na nkesa karịa ka HIPAA ga-enye. N'ọnọdụ ebe anyị na-enye onye ọrịa bi na steetị agbataobi ọgwụgwọ, anyị ga-erube isi na iwu ahụ siri ike dịka iwu steetị siri kwuo.

**G. Usoro Mgbanwerịta Ozi Ahụike**: Anyị na-ekesa ihe ndekọ ahụike gị n'ụzọ ịntanetị ma ọ bụ n'ụzọ ọzọ site na Usoro Mgbanwerịta Ozi ("HIEs") nke na-agbanwerịta ihe ndekọ ahụike na HIEs ndị ọzọ. Anyị na-ejikwa teknuzu mgbanwerịta data (dịka ụzọ nkekọrịta ozi ahụike dị nchekwa, ụlọọrụ na-ahụ maka iziga ozi ahụike ("HISP"), na weebụsaịtị nnweta ozi ahụike) yana Ihe Nchekwa Ndekọ Ahụike ("EHR") iji kesaa ihe ndekọ ahụike gị maka ikike enyere nke gụnyere ịga n'ihu inye ọgwụgwọ na nlekọta. HIEs na teknuzu na agbanwerịta data na-ekwe ka ekesaa ihe ndekọ ahụike gị iji meziwanye ogo mma ọrụ enyemaka nlekọta ahụike enyere. Ihe ndekọ ahụike nke ekesara ga-agụnye, ma ọbụrụ na ọ metụtara, ozi ahụike nzuzo dịka ọrịa HIV/AIDS, ọrịa ana-ebute site na mmekọahụ, ozi banyere mkpụrụ ndụ ihe nketa, ahụike uche, na ịṅụ mmanya na-aba n'anya/ịṅụ ọgwụ ọjọọ na eri ahụ. HIEs na ụlọọrụ teknuzu ndị ọzọ na agbanwerita data na arụkọ ọrụ dịka ndị nrụkọ ọrụ azụmahịa. N'aha anyị ha na eziga , chekwaa ma jikwaa PHI gị maka ọgwụgwọ, ịkwụ ụgwọ na iji mee ọrụ enyemaka nlekọta ahụike na ndị ọzọ enyere ikike. Achọrọ ka HIEs na ụlọọrụ teknuzu ndị ọzọ na agbanwerịta data tinye iwu na atụmatụ nchekwa ozi, nchekwa ụlọ, nchekwa n'ịntanetị nke ga-echekwa ihe nzuzo na izi ezi nke ozi ahụike. Iwu ahụ nwere ike inye gị ikike igbochi, kwenye, maọbụ ghara isonyere HIE. Maka ozi ndị ọzọ, biko kpọtụrụ onye ọrụ anyị na-ahụ maka ichekwa ihe nzuzo onye ọrịa na 833-718-1043, maọbụ ị nwere ike izitere anyị ozi-e na privacyofficer@trinity-health.org.

## II. Ikike Iji maọbụ Kesaa yana Ohere Ikwenye maọbụ Ghara Ikwenye

**A. Ezinụlọ/Ndị enyi:** Anyị ga-ekesara enyi maọbụ onye otu ezinụlọ PHI banyere gị onye nke na enye aka maọbụ na akwụ ụgwọ nlekọta ahụike gị. Ị nwere ikike ịrịọ ka aghara ikesa PHI gị. Ọzọkwa bụ, anyị ka ekesa PHI banyere gị nye ụlọ ọrụ na-enyere ndị ọdachị dakwasịrị aka ka enwe ike ịgwa ezinụlọ gị banyere ọnọdụ gị, otu ọdị gị nakwa ebe ị nọ.

**B. Akwụkwọ Ndepụta Ndị Ọrịa Nọ N'ụlọọgwụ:** Anyị nwere ike itinye ụfọdụ ozi banyere gị n'akwụkwọ ndepụta ndị ọrịa ahụ mgbe ị bụ onye ọrịa nke ụlọọgwụ. Ozi a ga-agụnye aha gị, ebe ị nọ, otu ahụ dị gị (ihe atụ di mma, nọ na njikwa, dị oke njọ, dgz) nakwa okpukpere ịnọ na ya. Aga egosi ndị jụrụ maka gị site n'aha gị ozi ndepụta ndị ọrịa, ma ewezuga okpukpere

ịnọ na ya. Ị nwere ikikere ịkwụ ka aghara itinye aha gị na akwụkwọ ndepụta ndị ọrịa anyị. Ọ bụrụ na ịrịọ ka ị ghara ịnọ na akwụkwọ ndepụta ndị ọrịa, anyị agaghị agwa ndị nleta maka ọnụnọ gị, ebe ị nọ, maọbụ otu ahụ dị gị.

**C. Nlekọta Ime Mmụọ**: Aga-enye onye ụkọchukwu ihe ndekọ ndepụta ndị ọrịa, gụnyere okpukpere ịnọ na ya, ọbụrụgodi na ha ajụghị maka gị site n'aha. Ndị na-eweta nlekọta nke ime mmụọ bụ ndị otu nlekọta ahụike, e nwere ike ịkpọtụrụ ha gbasara nlekọta gị. Ị nwere ikike ịkwụ ka aghara inye ndị otu ụkọchụkwụ aha gị.

**D. Akụkọ Mgbasa Ozi Mịdịa:** Anyị ga-enye ndị mịdịa akwụkwọ ndepụta ndị ọrịa (ewezuga okpukpere ịnọ na ya) ma ọbụru na ndị mịdịa ajụọ maka ozi banyere gị site n'aha gị. Mara na ị nwere ike ịjụ ka aghara itinye gị na akwụkwọ ndepụta ndị ọrịa.

## III. Iji maọbụ Ikesa Na-Achọ Nnata Ikike Gị

**A. Mgbasa ozi**: N'ọnọdụ ụfọdụ, anyị na-achọ akwụkwọ nnata ikike ma ọbụru na anyị anata ego ọbụla maka izigara gị ozi na-agba gị ume ịzụ ngwahịa maọbụ iji ọru enyemaka maọbụ ọbụrụ na anyị nye ụlọ ọrụ ọzọ ozi banyere gị ndị nke chọrọ ịgbasara gị ozi ngwaahịa ha maọbụ ọrụ enyemaka.

**B. Nchọpụta**: Anyị ga anata akwụkwọ ikike ịbịanyere aka ka eji maọbụ kesaa PHI gị na/maọbụ ihe nlele anụ ahụ eji eme nchọpụta mgbe ndị HIPAA chọrọ ya maọbụ iwu na-achịkwa nnyocha ahụike.

**C. Ihe Ndetụ Onye Ọgwọ Ọrịa Uche**: N'ọnọdụ ụfodụ, ana-enweta akwụkwọ ikike abịanyere aka tupu ekesaa ihe ndetụ onye ọgwọ ọria uche.

**D. Ihe Ndetụ Onye Ndụmọdụ nke Part 2 SUD**: Anyị ga-anatarịrị akwụkwọ nkwenye gị iche tupu ekesaa Ihe Ndetụ nke Onye Ndụmọdụ SUD ọbụla nke nwere ike ịdị na ihe ndekọ Part 2 gị ọgwụla ma iwu nke Part 2 nyere ya ikike. Agaghị etinyekọta ikike ikesa Ihe Ndetụ nke Onye Ndụmọdụ SUD na ikike ndị ọzọ ọbụla.

**E. Ire PHI**: Ma ewezuga ọnọdụ ole na ole, ekesa PHI nke na-esonye ere ya ere na-achọ akwụkwọ ikikere gị.

**F. Nkesa na Ojiji Ndị Ọzọ**: Ojiji ndị ọzọ maọbụ ikesa PHI nke ana-akọwaghị na Nziọkwa Ihe Nzuzo a gbasara Etu esi Eji Ozi Ahụike nwere ike ịchọ akwụkwọ ikike abịanyere aka (ma ọbụrụ na HIPAA enyeghị ya ikike). Akwụkwọ ikike abịanyere aka ga-eme ka ị mara ihe mere anyị ji eji PHI gị. Ị nwere ikike iwereghachị akwụkwọ ikike n'oge ọbụla.

## IV. Ojiji maọbụ Nkesa nke Iwu ọha maọbụ Iwu kwadoro maọbụ Chọrọ na anataghị ikike gị

**A. Maka Iji ya Eme Nyocha Iwu:** Anyị nwere ike ikesa PHI gị maka ihi nyocha iwu dịka iwu siri chọọ, dịka ịchọpụta onye ome mpu ana-enyo enyo maọbụ ana-achọ achọ maọbụ inye ozi gbasara onye mpu metụtara maọbụ omume mpu na-emetụta.

B. **Nke Iwu Chọrọ:** Anyị ka ekesa PHI banyere gị mgbe iwu gọọmentị etiti, nke steetị, maọbụ nke mpaghara chọrọ ya. Ihe atụ gụnyere ikesa ozi mgbe ụlọikpe nyere iwu /akwụkwọ iwu, ozi iwu chọrọ ka ụlọọgwụ nye ndị ọchịchị steetị (ihe atụ mmerụ ahụ sitere n'ịgba egbe, ndị mmetọ ụmụaka maọbụ nleghara anya metụtara), n'oge gọọmentị na-eme nchọpụta, maọbụ mgbe achọrọ ka erube isi na iwu ndị ọzọ dịka iwu ịkwụ ụgwọ ndị ọrụ maọbụ iwu ndị nyiri ya. Anyị ga-agwa ndị mmanye iwu na ụlọ ọrụ gọọmentị na-ahụ maka ọgwụ banyere izu ohi ọgwụ ọ bụla, iji ya eme ihe n'ụzọ na-ezighị ezi, ma ọ bụ ndenye ọgwụ n'ụzọ aghụghọ.

C. **Nlegide Ahụike Ọha Anya maọbụ Nchedo**: Anyị ga-eji ma kesaa PHI gị iji zere ihe ize ndụ jị njọ nke ahụike na nchedo nke mmadụ maọbụ ọha. Ọmụmatụ gụnyere ikesara ndị nnyocha steetị PHI gbasara ogo mma nlekọta maọbụ ikesara ndị ụlọ ọrụ na-ahụ maka ahụike ọha gbasara ọgwụ mgbochi ọrịa, ọrịa ndị na-efe efe, dgz. Anyị ga-eji ma kesaa PHI maka ihe ndị metụtara ogo mma, nchedo, maọbụ ịrụ ọrụ ọgwụ maọbụ ọrụ enyemaka nke Ụlọọrụ Gọọmentị na-ahụ maka Ọgwụ na Nri kwadoro, gụnyere ikpesa maka mmetụta ọjọọ si na ya, isochi ọgwụ, na iwepụ ọgwụ n'ahịa maka ojiji, dgz.

D. **Ndị na-eme nchọpụta ọnwụ, Ndị na Achọpụta ihe Kpatara Ọnwụ, Ndị na Ahazi ili Mmadụ**: Anyị ka ekesara ndị na eme nchọpụta ọnwụ maọbụ ndị na achọpụta ihe kpatara ọnwụ PHI gị. Ọmụmatụ, nke a ga-adị mkpa iji chọpụta onye nwụrụ anwụ maọbụ chọpụta ihe kpatara ọnwụ. Anyị nwekwara ike ikesara ndị na-ahazi ili mmadụ ozi gbasara ahụike gị dịka ihe dị mkpa ka ha wee rụọ ọrụ ha.

E. **Nnakọta Akụkụ Ahụ**: Anyị ga-ekesara ụlọ ọrụ na-ahụ maka nnakọta akụkụ ahụ, anya, maọbụ uru ahụ PHI gị maka iji ya eme ndochi akụkụ ahụ mmadụ.

F. **Ọrụ Gọọmentị Pụrụiche**: Anyị ga-ekesa PHI gị gbasara ọrụ gọọmentị dịka ndị agha, nchekwa mba na ọrụ nnakọta ozi na ime nchọpụta maka nchekwa. Anyị ga-eji ma ọ bụ kesaa PHI nye Ngalaba Na-ahụ Maka Ndị Agha Ochie iji chọpụta ma ị ruru eru inweta uru ụfọdụ.

G. **Ọgwu mgbochị**: Anyị ga ekesa iheakaebe nke ịgba ọgwụ mgbochị nye ụlọ akwụkwọ ebe steetị maọbụ iwu ndị ọzọ yiri ya chọrọ ya tupu anabata nwa akwụkwọ.

## V. Ikike Ozi gbasara Ahụike Gị

Ị nwere ikike mmadụ ndị a na esonụ gbasara PHI gị gụnyere ike ndekọ Part 2:

A. **Ikike Ilele ma Kọpịa**: Ọgwụla na ọnọdụ ole na ole, ị nwere ikike inweta PHI gị nakwa lelee ma kọpịa PHI gị ruo oge niile anyị na-edebe ozi ahụ.

Ọbụrụ na anyị ajụ arịrịọ gị maka inweta PHI gị, anyị ga-eme ka ị mara site n'ederede yana ihe kpatara anyị jiri jụ inye gị ya. Ọmụmatụ, ị nweghị ikike inweta ihe ndetụ nke onye ọgwọ ọria uche maọbụ nyocha ozi ahụ nke iwu machibidoro inweta. Ị nwere ikike ịkwụ ka enyochagharịa mkpebi a.

Ị nwekwara ikike ịkwụ ka enye gị PHI gị n'ụdị ozi imelu n'ọnọdụ ebe anyị na-eji ihe ndekọ ahụike nke kọmpụta.

Anyị ga-aṅa ego ziri ezi maka ime kọpị dịka iwu steeị maọbụ nke gọọmentị etiti siri kwuo.

Maka ọdịmma gị, ụfọdụ PHI gị ga-adị na Portal ndị ọrịa. Iji nweta PHI gị ndị ọzọ, ị ga-ezite arịrịọ.

**B. Ikike Ime Mgbanwe:** Ị nwere ikike ime mgbanwe na PHI gị ruo oge niile anyị na-echekwa data ahụ. Ị ga-emerịrị arịrịọ gị maka ime mgbanwe na PHI gị n'ederede na privacyofficer@trinity-health.org maọbụ onye ọrụ anyị na-ahụ maka ichekwa ihe nzuzo na 20555 Victor Parkway, Livonia, MI 48152 yana ihe mere i ji kwado mgbanwe ahụ a rịọrọ.

Otu ọ dị, anyị ga-ajụ arịrịọ gị maka ime mgbanwe ma ọbụru na:

i. Anyị emepụtaghị ozi ahụ

ii. Ozi ahụ esonyeghị na igwe ihe ndekọ nke ahụike

iii. Ozi ahụ agaghị adị maka nlele gị (n'ihi ọnọdụ ya maọbụ otu ọ dị)

iv. Ozi ahụ ziri ezi ma zuo ezuo.

Ọ bụrụ na ajụrụ arịrịọ gị maka ime mgbanwe na PHI gị, onye ọrụ anyị na-ahụ maka ichekwa ihe nzuzo ndị ọrịa ga-eme ka ị mara site n'ederede yana ihe kpatara ejiri wee jụ. Onye ọrụ ahụ na-ahụ maka ichekwa ihe nzuzo ndị ọria ga-agwakwa gị banyere ikike gị iziga okwu ederede, na-ekweghị na ọjụjụ ahụ. Ị nwere ike ịrịọ ka anyị tinye arịrịọ gị maka ime mgbanwe nakwa ọjụjụ ahụ mgbe ọbụla anyị mesiri kesaa ozi ahụ ị rịọrọ ka agbanwee. Anyị nwere ike ịzaghachị na okwu ọjụjụ gị ma nye gị kọpị nzaghachị ahụ.

**C. Ikike Inweta Ihe Ndekọ:** Ị nwere ikike inweta ihe ndekọ nke nkesa PHI gị nke anyị mere, ma ewezuga maka nkesa ndị a na-esonụ:

i. Iji mee ọgwụgwọ, ịkwụ ụgwọ, maọbụ iji ya eme ọrụ enyemaka nlekọta ahụike;

ii. Nye gị;

iii. Nye ndị sonyere na nlekọta gị;

iv. Maka nchedo mba maọbụ nnakọta ozi maka nchedo; maọbụ

v. Nye ụlọ mkpọrọ ma ọ bụ ndị ọrụ mmanye iwu.

Ị ga-emerịrị arịrịọ maka inweta ihe ndekọ nke nkesa PHI gị n'ederede nye onye ọrụ anyị na-ahụ maka ichekwa ihe nzuzo nke ndị ọrị na privacyofficer@trinity-health.org dị na 20555 Victor Parkway, Livonia, MI 48152.

Ị ga-etinyeriri ogologo oge nke ihe ndekọ ahụ, nke na agaghị akarị afọ 6. Otu ugboro kwa ọnwa 12, anyị ga-enye gị ihe ndekọ nke nkesa PHI gị n'efu. Ịrịọ arịrọ ọzọ maka ihe ndekọ n'ime oge ahụ, aga ana gị ego maka ikwadebe ihe ndekọ.

**D. Ikike Ịrịọ maka Mmachibido:** Ị nwere ikike ịrịọ maka mmachibido n'ụfọdụ ojiji na nkesa nke PHI gị maka iji ya eme ọgwụgwọ, ịkwụ ụgwọ maọbụ iji ya eme ọrụ enyemaka nlekọta ahụike. Otu ọ dị, anyị ga-atụle arịrịọ gị mana ọ dịghị mkpa ikwenye na mmachibido arịoro.

E. **Ikike Ịrịọ maka Mmachibido na Atụmatụ Ahụike:** Ị nwere ikike ịrịọ ka amachibido ikesa PHI gị nye atụmatụ ahụike (maka iji ya akwụ ụgwọ maọbụ ime nchịkwa ọrụ enyemaka)ma ọbụru na ị ji ego gị wee kwụọ ụgwọ, ụgwọ niile, maka ihe niile ịnwetara maọbụ ọrụ enyemaka enyere. Aga anabata ụdị arịrịọ ahụ.

F. **Ikike Inweta Nkwụrịta Okwu Nzuzo:** Ị nwere ikike inweta nkwụrịta okwu nzuzo nke PHI gị site n'iji ụzọ ọzọ maọbụ ebe ọzọ. Ọmụmatụ, ị nwere ike ịrịọ ka anyị kpọtụru gị naanị n'ụlọ ọrụ maọbụ ozi-e. Ọ bụrụ na ị nyere ozi-e gị, anyị nwere ike ịkpọtụrụ gị site n'ozi-e ọgwụla ma ị rịoro ụzọ ọzọ aga-eji akpọtụrụ gị.

G. I**kike Inweta Kọpị Nziọkwa a:** Ị nwere ikike inata akwụkwọ kọpị nke Nziọkwa Ihe Nzuzo gbasara Etu esi Eji Ozi Ahụike a, ma arịọ.

## VI. Mmebi Iwu nke Nkesa PHI ana Echedoghị

Ọ bụrụ na mmebi iwu nke nkesa PHI ana echodoghị nke metụtara gị e mee, aga achọ ka anyị gwa gị maka mmebi iwu ahụ. Onye anyị na ya na-arụkọ ọrụ nwere ike izite nziọkwa a n'aha anyị.

## VII. Ikesa na Ijikọrịta Ozi Ahụike Gị

Ndị otu Trinity Health na ndị ọrụ ahụike na-eji PHI gị maka ọgwụgwọ, ịkwụ ụgwọ na/maọbụ maka iji ya eme nchịkwa ọrụ nlekọta ahụike nke HIPPA nyere ikike maka ndị ọrịa anyị abụọ na-elekọta. Ka ana-enye gị nlekọta ahụike ma na-arụ ọrụ iji meziwanye ahụike ọha, anyị ga-ekesara ndị ụlọọgwụ ọzọ nakwa ndị na-eweta nlekọta ahụike PHI gị ndị nke kwenyere irubi isi na iwu ndị akọwapụtara n'okpuru:

A. **Ndị Ọrụ Nlekọta Ahụike**: Ndị ọrụ nlekọta ahụike na ndị otu Trinity Health na arụkọrịta ọrụ maka nkekọrịa ozi ahụike iji nye gị nlekọta ahụike. Anyị ekwetala irube isi na iwu nke Nziọkwa a maka PHI ọbụla anyị mepụtara maọbụ natara dịka ihe so na nlekọta ahụike anyị na-enye gị. Anyị ga-enweta ma jiri PHI mezuo ebumnuche ọrụ ebere anyị, gụnyere ịnyocha nakwa imeziwanye ogo mma nlekọta ahụike.

B. **Nsonye N'otu Trinity Health**: Ụlọọgwụ anyị na ụlọọgwụ ndị ọzọ nọ n'okpuru Trinity Health Ọzọ na-arụkọrịta ọrụ maka nkekọrịta ozi ahụike iji nyochaa etu esi eji ọrụ ahụike, nyochaa ogo nlekọta ahụike, ma rụọ ọrụ ndị ọzọ metụtara ya. Dịka otu so na Trinity Health, otu nlekọta ahụike mba nke ndị katọliki, nke na-agụnye ụlọọgwụ ndị ọzọ, ebe ana-elekọta ndị agadị, na ndị na-eweta nlekọta ahụike na ekesa PHI gị maka iji nyochaa etu esi eji ọrụ ahụike, nyochaa ogo nlekọta ahụike, ma rụọ ọrụ ndị ọzọ metụtara ya. Ndị otu Trinity Health niile ekwetala irubi isi na iwu nke Nziọkwa a n'ihe banyere PHI emebere maọbụ natara dịka nnyocha etu esi eji ọrụ ahụike na nnyocha ogo mma nlekọta ahụike.

Biko gaa na weebụsaịtị Trinity Health maka ndepụta ndị otu http://www.trinity-health.org. Maọbụ, n'ụzọ ọzọ, ị nwere ike ịkpọ onye ọrụ ahụ na-ahụ maka ịchekwa ihe nzuzo ndị ọrịa iji rịọ otu ihe ahụ na privacyofficer@trinity-health.org.

C. **Ndị Nrụkọ ọrụ Anyị:** Anyị ga-ekesara ndị nrụkọ ọrụ anyị PHI gị na ụlọ ọrụ ndị ọzọ akpọrọ ịrụrụ anyị ọrụ, gụnyere Trinity Health, nke na-arụ ọrụ ụfọdụ ọrụ chịkwa maka ndị òtù anyị.

**D. Ndị na-Eweta Nlekọta Ahụike na Ndị na Ahazi Nlekọta:** Ana-enye gị nlekọta na usoro nlekọta ahụike jikọtara ọnụ ebe ọtụtụ dọkịta na ndị na-eweta nlekọta ahụike nwere ike ịhụ gị n'ebe dịgasị iche iche iji hụ na nlekọta na-aga n'ihu ma bụru nke ahaziri ọfụma. Anyị na ekesara ndị ọzọ na-eweta nlekọta ahụike nakwa ndị na ahazi nlekọta PHI gị, ndị nke na-arụkọ ọrụ iji nye ọgwụgwọ, nata ụkwọ, ma mee ọrụ enyemaka nlekọta ahụike. Ana ekesa PHI gị n'ịntanetị n'ọtụtụ ụzọ ebe ndị na eweta nlekọta ahụike na-esonye na inye nlekọta nakwa ịhazi nlekọta. E nwere ike ikesa PHI gị site na njikọ kpọmkwem na usoro ndekọ ahụike kọmputa nke onye na-eweta ọrụ ọzọ E nwere ike ikesa ozi PHI gị na ebe mgbanwerita ozi ahụike maọbụ site na teknuzu na-ekwe ka ndị mweta nlekọta ahụike ndị ọzọ nweta ozi gị. E nwere ike ikesa PHI gị site na ịntanetị echdoro gaa igbe ozi-e nke ndị ọzọ na=eweta nlekọta ahụike.

## VIII. Mgbanwe na Nziọkwa a

Anyị na-erube isi na iwu nke Nziọkwa ahụ dị n'ọrụ ugbua. Anyị nwere ikike ime mgbanwe dị mkpa na iwu nke Nziọkwa a ma tinye iwu ndị anyị melitere na PHI niile anyị ji. Anyị ga-ekesa/nye gị Nziọkwa emelitere na nleta mbu gị na-esochị mmelite Nziọkwa ahụ - n'ebe anyị mere mgbanwe ndị dị mkpa na Nziọkwa ahụ. Ị nwekwara ike ịrịọ maka akwụkwọ kọpị nke Nziọkwa ahụ emelitere n'oge ọbụla. Ana ebipụta akwụkwọ ndị emelitere na weebụsaịtị ndị otu Trinity Health.

**Mee mkpesa:** ma ọbụrụ na ị kwenyere na emebiela iwu idebe ihe nzuzo gị, ị nwere ike enyefe onye ọrụ anyị na-ahụ maka ịchekwa ihe nzuzo nke ndị ọrịa akwụkwọ mkpesa gị maọbụ nye ya Odeakwụkwọ nke Ngalaba Ahụike na Ijere Mmadụ Ozi. E nwere ike izitere anyị mkpesa niile na privacyofficer@trinity-health.org, maọbụ site na ịkpọ 833-718-1043, maọbụ onye ọrụ anyị na-ahụ maka ịchekwa ihe nzuzo nke ndị ọrịa na 20555 Victor Parkway, Livonia, MI 48152.

## *IX. Agaghị ata gị ahụhụ maka itinye akwụkwọ mkpesa.*

Ndị na ahụ maka ịchekwa ihe nzuzo ndị ọrịa - Ajụjụ / Nchegbu / Ozi ndị Ọzọ. Ọbụrụ na ị nwere ajụjụ ọbụla, nchegbu, maọbụ chọọ ozi ndị ọzọ banyere Nziọkwa Ihe Nzuzo a, biko kpọtụrụ onye ọrụ anyị na-ahụ maka ịchekwa ihe nzuzo ndị ọrịa na 833-718-1043, maọbụ ị nwere ike izite ozi-e na privacyofficer@trinity-health.org.